# SALVATION MINISTRIES - NZUKỌ NSO DI N'ULỌ

## MBOCHI NKE ABUO N'IZUKA – 10/07/2018

H

**Mmemme:** **ISIOKWU: ORIRI IHỤNANYA**

| S/N | IHE-OMUME | OGE | MGBE |
|---|---|---|---|
| 1 | EKPERE MBIDO | 6.00 - 6.01 | 1 NKEJI |
| 2 | ABU OTUTO NA OFUFE | 6.01 – 6.09 | 8 NKEJI |
| 3 | OKWU CHUKWU/INABATA KRAIST | 6.09 – 6.29 | 20 NKEJI |
| 4 | NKWUKORITA /AJỤJỤ NA AZIZA | 6.29 – 6.39 | 10 NKEJI |
| 5 | EKPERE ONWE-ONYE/NK'ORA NILE (BUE AGHA MEGIDE IHE-OJOO/ONWU) | 6.39 – 6.49 | 10 NKEJI |
| 6 | AKỤKO OTUTO | 6.49– 6.55 | 6 NKEJI |
| 7 | I NABATA NDI ỌHỤỤ | 6.55 – 6.58 | 3 NKEJI |
| 8 | I MA OKWA NA NMECHI | 6.58 –7.00 | 2 NKEJI |
| 9 | IHE-ORIRI | 7.00 GBAGOO | |

**OKWU CHUKWU: I Ndi Korint 13:4-8a (GỤỌ)** - Ihunanya abughi ihe nmetuta m'ọbụ nkwuputa nkiti. Ihụnanya bụ onye nke anyi n'akpo Chineke – **1 Jọn 4:8b**. Ọ bụ ntụala ndi Kraist guzoro. Ihụnanya gabụriri ihe mbụ n'ihe in'achọsi ike na ndụ. Ihụnanya gi bụ ihe a n'enyo enyo m'ọbụrụ na ejirimara ihụnanya ndia adighi n'ime ndụ gi:

**1. IHỤNANYA N'ENWE NDIDI:** Ihunanya bu inwe ike imeda obi gi mgbe ihe in'atu anya n'egbu oge ya na mgbe in'emeso ndi anaghi ekwe ekwe.

**2. IHỤNANYA ABỤGHI INWE OBI ỌJỌỌ M'ỌBỤ ANYA-ỤFỤ:** Ihụnanya anaghi ewe iwe m'ọbụ nwe obi ọjọọ maka nweta, ugwu, aku m'obu okwa nke onye ozo.

**3. IHỤNANYA ANAGHI EGOSI MPAKO:** Ihụnanya anahi egosi mbuli onwe onye elu na iheọma m'ọbụ ihe I pụrụ ime

**4. IHỤNANYA NWERE OBI EBERE:** Ihụnanya n'egosipụta obi-umeala na njikere inyere ndi-ọzọ aka; nakwa ichọ iwetara ndi nmadụ ezi-ihe na ọṅụ.

**5. IHỤNANYA ENWEGHI AGWA-ỌJỌỌ:** Ihụnanya anaghi emechu-ihu, ọ naghi emejọ ndi-ọzọ.

**6. IHỤNANYA ANAGHI EMERE SO ONWE-ONYE:** Ihụnanya anaghi egosi nmetụta nke onwe-onye nani, ma rapụ mkpa m'ọbụ nmetụta ndi-ọzọ.

**7. IHỤNANYA ADIGHI EWE IWE-ỌKỤ:** Ihụnanya anaghi ewe iwe osiso.

**8. IHỤNANYA ANAGHI AGỤKỌ IHE-ỌJỌỌ EMERE YA:** Ihụnanya n'agbaghara, ọnaghi kwa echeta m'ọbụ gụkọwa ihe-ọjọọ ndi-ọzọ mere ya.

**9. IHỤNANYA ANAGHI ENWE ỌṄỤ N'IHE-ỌJỌỌ:** Ihụnanya anaghi enwe ọṅụ mgbe onye nsọ dara n'ọnya m'ọbụ dara mbá. Ihụnanya anaghi enwe ọṅụ mgbe ihe-ọjọọ dakwasiri onye eso kraist. Ọnaghi kwa enwe aṅụri ihe ọjọọ n'emebi ihe.

**10. IHỤNANYA BỤ EBIGHEBI:** Ihụnanya n'adigide. Ọnaghi emebi n'oge.

Ọtụtụ n'ime anyi nwere ejirimara ndia nile; ụfọdụ nwere obere ejirimara ndia, ebe ndi-ọzọ enweghi nke ha nwere chaachaa. Otuosinadi, ihụnanya n'arụ ọrụ karia mgbe inye ihe di n'ime ya. Ihụnanya ọbụla n'ekwenyeghi n'inye Chineke na nmadụ ihe bụ nke iru abụọ na kwa nke n'abaghi uru na ndụ. Bụrụ onye n'enye ihụnanya gi ndụ pụtara ihe, ma zụọ ya ka o too ma mia nkpụrụ n'aha Jisọs!

**AKỤKO OTUTO:** 1. **Sitere na: Ovunda Rosemary** - Eruberem isi na ntuzi aka Papa nyere site n'imeghe Nzukọ Nso di n'ụlọ n'ebe mbi; Site mgbe ahụ, mụ na ezi n'ụlọm n'enwe ihuọma n'akụkụ nile.

2. **Sitere na: Ubaferem Jude** - A garam irite nkpụrụ-obi n'uru mgbe emesiri Izu Inata Ikike nke ime mụọ nke ọnwa Jun (June WOSE 2018). Mgbe m'gara ọrụ n'ụtụtụ ụbọchi Mọndee so ya, enweterem akwụkwọ mbuli elu nakwa nziga n'ebe kacha nma n'ụlọ ọrụ anyi.

**- I nabata Kraist -**

**NKWUKORITA /AJỤJỤ NA AZIZA**

1. **Kwue ejirimara ihụnanya site n'ihe-ọmụmụ anyi taa.** AZIZA: **Lee akwụkwọ ihe-ọmụmụ**

2. **Gini bụ ihụnanya?** AZIZA: **Lee akwụkwọ ihe-ọmụmụ**

**AKWỤKWỌ NSỌ ENWERE IKE IJI KPE EKPERE NLEKỌTA DI ICHE ICHE**

1. Ọgwụgwọ nsọ Matiu 8:17, Aisaia 58:8a. (2). Nkpụrụ nke afọ- Jenesis 1:28, Deut 7:14. (3). Ịjụ ikwụ ụgwọ ọrụ arụrụ- Rut 3:18b, Levitikọs 19:13, 1Tim 5:18. (4). Nmeri n'ụlọ ikpe- Daniel 7:22. (5). Ihe-ọjọọ nyere oge o ji abia- Nehum 1:9. (6). Ndi njem- Abụ-ọma 121:7-8. (7). Inata iru-ọma- Abụ-ọma 44:3. Ọpụpụ 3:21. (8). Izọpụta ndi nmehie- Abụ ọma 16:10-11a. (9). Inweta dí nye ụmụ-nwanyi- Aisaia 62:5/ Inweta iru-ọma nye ụmụ-nwoke- Abụ-ọma 5:12 (10). Megide myija ọnwụ- Abụ-ọma 63:9-10, Aisaia 49:25,26. (11). Izu-oke- Abụ-ọma 138:8.

**ỌKWA DI OKE NKPA: 1. NDI NDU G'AGBALI IDỤ NDI HA N'EDU ỌDỤ IWEPỤTA ỤLỌ HA MAKA NZUKỌ KRAIST DI N'ỤLỌ IJI NABATA NDI SORO ANYI ỌHỤỤ. 2. GBAA HA UME IGA ỤLỌ AKWỤKWỌ NSỌ(BAIBUL SKUUL) NKE NZUKỌ A.**